## Onodu Nkesa Ngwa Ahia Ihe Ubi Biotech Nke Uwa Nile Nke 2013

**Onye dere nkea bu Clive James, bu onye nchoputa na onye isi oche mbu nke ulo oru ISAAA**

*Nke eji kwanyere Norman Borlaug ugwu, onye bu 'nobel laureate'onye so na ndi choputara ulo oru ISAAA, na onodu nke otu nari afo ya 25th march 2014*

---

### Isi Nchoputa Ihe iri Banyere Ihe Ubi Biotech N'afo 2013

**NKE MBU: 2013 BU AFO NKE IRI NA ASATO E Nwere Oganihu Na Nkesasi Ngwa Ahianke Ihe Ubi Biotech.** Mkpuru ihe ubi BIOTECH bu nke a malitere nkesa azum ahia ya site n'afo 1996. Mbara Ala hekta nke a n'akonye ihe ubi BIOTECH na abawanye uba kwa afo site n'afo 1996 rue afo 2013, nwekwa uto ma obu mgbanwe nke ruru mkpuru digit abuo n'ime afo iri n'abuo, na egosi ntukwasi obi na okwukwe nke ndi oru ubi kariri otutu nde onu ogugu na elekwasighi anya na odachi nwere ike isi n'ime ya puta, site na otutu mba ndi ka na eto eto ma ndi tozugoro. N'ihe itu n'anya, site na mgbe a konyere ya n'ala nke mbu n'afo 1996, a kochiela mmaji kwuru mmaji mbara ala nke kariri otu na nmaji ijeri mbara ala hecta nke bu (1.5billion hecters na-asusu bekee), mbara ala a kariri akara nmaji ala n'ile nke mba obodo CHINA nile nwere, ma obu mba obodo US nke America.

**NKE ABUO: MBARA ALA MKPURU IHE UBI BIOTECH Nkea mere kaihe ubi biotech buru nkpuru ihe ubi nke 'nka" ya na usoro nkonye n'ala ya buru nke kachasi nwee nnabata na oge n'adibeghi anya gara aga – ihe kpatara nke a sitere na-uru di na ngwa ahia ya. Na-afo 2013**, mbara ala hekta ihe ubibiotech bawannyere rue million hekta ise, na eto, kwa afo na Ihe ruru uto pesent ato. O dikwa nnoo mkpa I mara na uru di nma kwa afo, na oganihu ka a na echere maka afo ndi n'abia abia, n'ihi udi nnabata ukpuru di mma nke ihe ubi biotech e ruola (iri pesent itolu – nari iri pesent) nwezie nnoo obere ohere maka mmubanye

**NKE ATO: ONU OGUGU MBA NDI NA-AKO IHE UBI BIOTECH JUPUTARA N'UDI NGWAKOTA NKPURU IHE UBI DI ICHE ICHE nke bu (Starked trait)** N'ime mba iri na asaa ndi konyegoro ihe ubi biotech na-afo 2013, iri na itolu n'ime ha sina mba ndi ka na eto-eto ma,na asato si na mba ndi tozuru nu. Ihe ubi (Stacked traits) nochiri 'iri nde ano na asaa naotummaji mbara ala hekta ma obu iri pesenti abuo na asaa.

**NKE ANO: N'ime afo abuo nke n'eso onwe ha n'afo 2013,** mba ndi ka na eto eto konyere ihe na mbara ala hecta karia nke mba ndi tozuru nu konyere. N'itu nanya, mba ndi ka n'eto eto koputara ihe ubi biotech – ya bu %pesenti iri ise na ano (nke putara–iri mmbara ala hekta itolu na ano) kariamba ndi nke tozuworola ndi nke koputara %pesenti iri ano na isi (nke putara iri mbara ala hekta asato na otu)na mgbakota ihe ubi biotech n'ile a koputara n'afo 2013

**NKE ISE: ONU OGUGU NDI ORU UBIN'AKOPUTA IHE UBI BIOTECH N'afo 2013** onu ogugu ndi n'ako ugbo- ruru iri nde na asato, nke toruru okara nmaji asaa nke nde site n'afo 2012 koputara ihe ubi biotech – n'itu nnoo n'anya ihe kariri iri pesent itolu ma obu onu ogugu jiri okara karia iri nde na isii bu ndi n'ako ihe ubi obere oberen'ime obere obodo ndi no n'ime mba ndi ka na-eto eto. Ndi n'ako ubi bu nnoo ndi na ebu ihe ize ndu n'isi n'akwado kwa uto nke nkoputa ihe ubi site na i nogide n'igbasi ike (na-agbaso kwa ihu na akoro ihe ubi n'ime mbara ala hekta nke ji okara karia otu ijeri, na ahukwa na echekwara ala ohia n'uzo digazi iche iche) n'afo 2013 onu ogugu ndi n'ako ugbo obere obere ruru ihe jiri okara ise karia nde asaa onu ogugu ndi no na mba obodo China

na onu ogugu ndi nke jiri okara ato karia ndi nke no na mba obodo India hoputara I kochi ihe ubi akwa cotton biotech na mbara ala hekta kaririiri nde na ise nihi uru doro anya nke o na enye. N'afo 2013 ndi obere oru ubi ruru nari puku anon di no na mba obodo Philipines nwetara uru site na mkpuru oka biotech.

**NKE ISII: MBA OBODO ISE N'AKO IHE UBI BIOTECH KARICHAA** –Iweputa Nkpuru Oka Nke Mbu Nke Na-anagide oke okochi, na Ihe ubi mkpuru agwa soya - nke bu(stacked) soya bean. Ndi mba US bu ndi no n'isi nkea site n'ikochi ihe jiri otu okara karia iri nde mbara ala hekta asaa, nweekwa nnabata puru iche nke ihe ubi nileruru iri pesent itolu. Nke di nnoo nkpa, ndi oru ubi di puku abuo na mba obodo US koro mkpuru oka biotech nke mbu n'anagide oke okochi na mbara ala ruru iri puku hekta ise. Mba brasil gbara ndi nke abuo, ma n'afo ise n'aga n'ihu, ji oganihu ihe ubi biotech nke mba uwa nile,ebe ha koputara karichaa mba nile na mbara ala, nke ruru ihe jiri okara asaa karia nde hekta ato, nke putara pesent iri site n'afo 2012, ruokwa ihe jiri okara ato karia iri nde hekta ano. Mba brazil konyekwara stacked (HT/IR soybean) na ihe kariri nde hekta abuo na mbido ya, tinyekwara imeputa mkpuru agwa biotech nke n'anagide nje ojoo n'emebi nkpuru ihe ubi. Mba obodo Ajentina nogidekwara na onodu ndi nke ato site n'ikochi ihe jiri okara ano gafee iri mbara ala hekta abuo na ano. Mba obodo India chupuru mba Canada n'onodu ndi nke ano ha ebe ha nwere mbara ala hekta iri na out nke ihe ubi cotton biotech, nweekwa nnabata ruru iri pesent itolu na ise. Canada bu ndi nke ise ebe ha nwere ihe jiri okara asato karia nde mbara ala hekta iri, ebe ewetukwara aka n'iko ihe ubi Caniola ma nweekwa nnabata ruru iri pesent itolu na isii. N'afo 2013, kwa obodo ise ndi no n'isi ihe ubi ndia kochiri ihe kariri nde mbara ala hekta iri, na enye mgborogwu siri ike maka ututo odi n'ihu.

**NKE ASAA: ONODU IHE UBI BIOTECH N'ALA AFRICA Obodo Afrika n'aga nnoo n'ihu na nke a, nke mere na mba obodo south afrika na enweta uru ihe ubi biotech n'ime oge kariri afo iri gara aga.** Mba obodo bokinafaso nakwa Sudan kwalitere nkochi mbara ala hekta ihe ubi cotton ruo iri pesent isenakwa nari pesent ato na usoro eji dee aha obodo ndia. N'afo 2013 mba obodo asaa ndi nke bu (Cameroun,Egypt,Ghana,Kenya,Malawi,Nigeria nakwa Uganda) mere otutu nwale ihe ubi ndia, nke bu usoro mgbakwasi ukwu tupu nkesasi ya. Nke dikwa nnoo nkpa, oru WEMA a bu nke a hazirila ka o weputara ndi mba Afrika mkpuru oka biotech nke mbu ndi nke n'anagide oke okochin'afo 2017. E nweghi usoro nka ihe omume di nnoo mma aburula nnoo ihe mere o ji raa ezigbo ahu Inwe nnabata nkea. Ukpuru na Usoro omume ihe na-adighi nfe ma kwesiri ntukwasi obi di nnoo mkpa, karichaa maka obere mba ndi ka n'eto eto.

**NKE ASATO: ONODU IHE UBI BIOTECH NA MBA NDI EUROPE:** Obodo Europe ise, ndi nke bu (Spain, Portugal, Czech republic, Slovakia nakwa Romania) konyere mkpuru oka biotech nke n'anagide oke okochi karia otu nari puku mbara ala hekta na iri puku ano na asato, ruo iri present na ise site n'afo 2012. Mba obodo spain no n'isi ndi mba Europe ebe ha konyere mkpuru oka biotech ihe kariri otu nari puku mbara ala hekta na iri puku ato na isii ruo pesent iri na asatosite n'afo 2012 nweekwa nnabata ruru iri pesent ato na otu

**NKE ITOLU: URU DI NA IHE UBI BIOTECH :site n'afo 1996 ruo afo 2012,** ihe ubi biotech kwalitere uju ihe oriri nke uwa, ndigide na mgbanwe oge ma obu ebe obibi nke anyi, koputakwa ihe ubi n'uju ya nke onu ego ya kariri otu nari puku ijeridollar na iri n'isii, nke bu $116.9b; na-ewetara anyi onodu ebe obibi ka mma, site n'ichekwa ogwu nchu anwu nke killo ya ruru nari nde anona iri itolu na asaa; n'afo 2012 I belata ikuku ojoo bu (co2) nke a na akpo carbon dioxide n'asusu bekee ruo 26.7 billion kg nke bu ihe di ka I kpochapu onu ogugu ugbo ala ruru ihekariri iri nde n'otu n'okporo uzo anyi ruo otu afo, chekwaa nnoo ebe obibi anyi, chekwaa kwa mbara ala anyi ruru otu nari nde na iri hekta abuo na ato site n'afo 1996 ruo 2012; nkea nyekwara aka ibelata ukpa nye ndi na ako ugbo obere obere onu ogugu ha ruru ihe jiri okra karia iri nde na isii na kwa ezi n'ulo ha ndi

onu ogugu ha ruru iri nde isii na ise bu ndi kacha buru ogbenye n'ime uwa. Ihe ubi biotech bara nnoo uru, ma na o bughi ngwota nke uzo e si a ko ugbo di nma di ka I konye mkpuru di iche iche ma obu n'ala di nma di iche iche n'oge ya, nihi na ihe ubi biotech bu ihe ubi ndi dikwa ka ibe ya.

**NKE IRI: IHE OMA NDI DI N'ODINIHU – I ji nnoo ako na-enwe nchebara oma maka odi n'ihu,** olile anya nkea bu maka nnabata oma di elu nke ihe ubi biotech putara (iri pesent itolu ma obu karia) ndi no n'ahia ndi tozuru etozu ndi na mba obodo ndi ka na eto eto na ndi nke tozuworo. Bangladesh, Indonesiana mba panama kwadoro ikonye ihe ubi biotech n'afo 2013 ebe ha bu n'uche inwe nkesasi ngwa ahia a ebe o di ukwu n'afo 2014.

ISAAA bu ulo oru ndi nke na anaghi enweta uru ngwa ahia, burukwa ndi nke na-enweta kwa nkwado site n'ulo oru ndi gomenti nwe nakwa nke ndi nkiti nwe. Akuko gbasara mbara ala hekta Ihe ubi biotech nilenke e biri na-akwukwo akuko nke ndi ISAAA bu nke a na edenye otu ugboro, n'agbanyeghi otutu ihe ubi ndi digazi iche iche etikotara onu n'ime ihe ubi. I ga enweta nkowa di nma maka nkea n'ime ISAAA brief 46 'GLOBAL STATUS OF COMMERCIALIZED BIOTECH/GM Crops: 2013 nke onye dere ya bu Clive James. Maka akuko ndi ozo so ndia, gaa na igwe intanet nke bu www.isaaa.org ma obu kwanu gaa na ISAAA SEAsiaCenter nke ekwe nti ya bu +63 49 536 7216 ma obu ISAAA Africenter nke ekwe nti ya bu +254 20 422 3618 ma obu kwanu ziga ozi email na africenter@isaaa.org.